Kpebie Ife Chineke Otú Ọ Chọrọ (Nkebi nke 1)

O si n'isi nke 16 n'akwụkwọ *Gịnị Ka Baịbụl Na-akụziri Anyị?* Ọ dịkwa na jw.org/ig.

IHE Ị GA-EJI AKWỤKWỌ A EME: Jiri ya chọpụta ihe ndị i kweere na ihe mere i ji kwere na ha. Jirikwa ya mụta ihe Baịbụl na-akụzi na otú i nwere ike isi kọwaara ya ndị ọzọ.



OLEE OTÚ MMADỤ SI EGOSI NA YA NA-EFE CHINEKE OTÚ Ọ CHỌRỌ?

1 CHỌPỤTA IHE NDỊ I KWEERE

Gịnị ka ụfọdụ ndị nwere ike ikwu?

Gịnị ka **gịnwa** kweere?

Gịnị mere i ji kwere ihe a i kweere?

www.jw.org © 2017 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

2 LEE IHE BAỊBỤL NA-AKỤZI

Onye kpebiri ife Jehova otú ọ chọrọ kwesịrị ịna-efe naanị ya.

(Gụọ isi nke 16 n'akwụkwọ *Baịbụl Na-akụziri Anyị,* paragraf nke 1-5.)

Gụọ Ọpụpụ 20:4, 5 na 1 Jọn 5:21.

Olee otú amaokwu Baịbụl ndị a si gosi otú Chineke si ele iji ihe oyiyi efe ofufe anya?

Gụọ Diuterọnọmi 18:10-12.

Olee otú amaokwu ndị a si gosi otú Chineke si ele ife ndị nna nna anyị ofufe anya, nke bụ́kwanụ ime mgbaasị?



Otú ahụ ị na-agaghị atụtụrụ swit dị na gọta rachaa, ka ị na-agaghị na-eme ememme ndị ọgọ mmụọ

www.jw.org © 2017 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

Onye kpebiri ife Chineke otú ọ chọrọ ekwesịghị ịna-eme ememme ndị na-adịghị Jehova mma.

(Gụọ isi nke 16 n'akwụkwọ *Baịbụl Na-akụziri Anyị,* paragraf nke 6-12.)

Gụọ Jenesis 40:20 na Mak 6:21.

Ọ bụ naanị ememme ụbọchị ọmụmụ abụọ nke ndị na-anaghị efe Jehova ka e kwuru okwu ya na Baịbụl. Gịnị ka ihe a na-akụziri anyị gbasara ememme ụbọchị ọmụmụ?

Gụọ Aịzaya 52:11 na Ndị Efesọs 5:10.

Olee ihe mere otú ememme si malite ji nwee ihe o mere?

Olee ihe i ji kpebisie ike ife Chineke otú ọ chọrọ?

www.jw.org © 2017 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

3 OTÚ Ị GA-ESI AKỌWA IHE NDỊ I KWEERE

Ọ BỤRỤ NA MMADỤ ASỊ…

M naghị *efe* ihe oyiyi, kama ha na-enyere m aka ịbịarukwu Chineke nso ma m kpewe ekpere.

I NWERE IKE ỊSỊ ONYE AHỤ…

Ọ dị mma na ị chọrọ ịbịarukwu Chineke nso ma i kpewe ekpere, ma i ji ihe oyiyi ekpe ekpere agaghị enyere gị aka n'ihi na…

_____

_____

Olee amaokwu Baịbụl i nwere ike ịgụrụ onye ahụ?

_____

Ebe ọ bụ na ị matala ihe onye ahụ kweere, olee otú ị ga-esi jiri amaokwu Baịbụl ahụ nyere ya aka?

_____

Ọ BỤRỤ NA MMADỤ ASỊ…

O nweghị onye bu ihe gbasara ndị ọgọ mmụọ n'obi eme ememme ụbọchị ọmụmụ taa. Ihe ọ bụ bụ naanị oge mmadụ na ndị ezinụlọ ya ji eme onwe ha obi ụtọ.

I NWERE IKE ỊSỊ ONYE AHỤ…

Ọ dị mma ka mmadụ na ndị ezinụlọ ya na-anọ. Mana, m kweere na ọ dị mma ka mmadụ mara otú ememme ọ chọrọ ime si malite n'ihi na…

_____

_____

Olee amaokwu Baịbụl i nwere ike ịgụrụ onye ahụ?

_____

Ebe ọ bụ na ị matala ihe onye ahụ kweere, olee otú ị ga-esi jiri amaokwu Baịbụl ahụ nyere ya aka?

_____

www.jw.org © 2017 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania